IDEAL INTERNATIONAL JOURNAL of IGBO SCHOLARS FORUM for SOCIO-CULTURAL ADVANCEMENT (INC.) Volume 19, No 2A June, 2026
ISSN: 2476-8421

# IWU NA AHA MMADỤ N'IGBO

**Linus Ositadimma Okereke**
Ngalaba Amụmamụ Sayensi Asụsụ na Nziṛịta ozi /Igbo
Mahadum Abịa Steet, Uturu
Osylofrank@gmail.com +2348074856850

**Prof Monday Chibụdo Onụkawa**
Ngalaba Amụmamụ Sayensị Asụsụ na Nziṛịta ozi/Igbo
Mahadum Abịa Steet, Uturu
onukwawamc@gmail.com +234803761188

Prof. Roseline Ihuọma Ndimele
Ngalaba Amụmamụ Sayens Asụsụ na Nziṛịta ozi/Igbo
Mahadum Abịa Steet, Uturu
ndịmeleabiastateuniversity.edu.ng +2348033402966

## Ụmịedemede

Ndị Igbo bụ otu n'ime agbụrụ dị n'ụwa a ndị e jighi ihe banyere nkwenye ha egwu egwu. N'ihi nke a ha na-egosipụta nkwenye ha n'ihe ọ bụla ha na-eme. Nkwenye ndị Igbo na-emetụta ekpemekpe, alụmalụ nakwa usoro obibi ndụ ha dị iche iche nke jikọro ọnụ bụrụ omenaala ha. Ọ bụ nke a mere ha ji esite n'ụdị aha

ha na-aza egosipụta nkwenye ha nwere n'ihe dị iche iche. Nchọcha a chọrọ inyocha ma chọpụta aha dị iche iche ndị Igbo na-aza nke na-egosi nkwenye ha n'iwu ọdịnaala ha. Nchọcha a bụ nchọcha enweọgụ nke e ji ịgba ajụjụ ọnụ nweta njiatule e ji mee ya. Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta ma nye obere nkọwa banyere aha dị iche iche ndị Igbo na-aza ndị gosipụtara nkwenye ha n'ebe iwu ọdịnaala nọ. Iwu bụ ụkpụrụ doro anya a tụpụtara e ji achịkwa omume ndị mmadụ iji hụ na e nwere udo na ezi mmekọrịta n'obodo. Iwu ọdịnaala Igbo na-emetụta ọnọdụ dị iche iche nakwa ihe dị iche iche ha kwenyere na ya. Nchọpụta nchọcha a gosiri na e nwere ọtụtụ aha ndị Igbo na-aza iji gosi nkwenye ha nwere ebe iwu ọdịnaala ha dị. Ọchọcha a tụrụ aro ka ndị nchọcha ndị ọzọ mekwuo nchọcha banyere aha ndị Igbo na ekpemekpe ha.

**Ọkpụrụkpụ Okwu:** Nkwenye , Ekpemekpe, Omenaala, Aha na Iwu.

## Mkpọlite

Ndị Igbo bụ otu n'ime agbụrụ e nwere n'ala Naịjiria ndị bi n'ọwụwa anyanwụ . Asụsụ e ji mara ndị Igbo bụ asụsụ Igbo. Ndị Igbo Dịka agbụrụ pụrụ iche nwere iwu dị iche iche na-achịkwa usoro obib ndụ ha. Iwu bụ usoro e si agbazi omume mmadụ. Okodo (2009) kwuru na iwu bụ omenala Igbo n'ihi na ọ bụ usoro nsieme ndi Igbo (Ndi Igbo bụ ndị kwenyere n'egbe bere, ugo bere n'ihi

na ha ejighị mmekọrịta mmadụ na ibe ya egwuri egwu (Ọnwụbiko, 1988). Ha ji ịkwanyere okenye ugwu, ileta ọbịa, inyere mmadụ aka na mmekọrịta nwanne na nwanne kpọrọ ihe tupu ọbịbịa ndị ọcha n'ala Igbo. Mgbe mmadụ mere ihe ọbụla adabaghị na nkwenye ọhaneze, a na-asị na onye dị etu ahụ adaala iwu (Amadị, 2005).

Umeọgụ (2012) kwuru na tupu a kpọọ ihe ọbụla iwu na ọ ga-enwerịrị mbunuche ọ na-emejupụtara ọhanaeze. N'uche Okafor na Onebunne (2019) iwu kwesịrị ịbụ maka ọdịmma ọhaneze. Ndị Igbo anaghị eme iwu ọbụla iji megide onye ọbụla. Iji kwado nke a, Asonye Obi kwuru a na-emebe iwu mgbe e nwere onye e ji n'aka ya bụ mgbe e nwere onye darala iwu ahụ. Ọ bụ nke a mere ndị Igbo ji ekwu okwu na-asị 'a naghị eji mmadụ n'aka ama iwu'. E nwere iwu metụtara ihe dị iche iche n'omenala Igbo. Obodo (2005 p.85) kọwara iwu dịka "atụmatụ dị iche iche e wekọtara ọnụ ndị e dere ede na ndị e deghị ede e ji eme ka udo dị n'obodo". N'ịkwado nke a, Obiwulu (2007) gara n'ihu kwuo na ihe a kpọrọ iwu ga-akwadorịrị ihe ọma ma katọọ ihe ọjọọ. Ọ sịrị na iwu na-anabata ihe kwesiri ekwesi ma gbarụọ ihu n'ebe ihe ekwesighi ekwesi dị. Mgbe ọchọcha na Ọka iwu Okoli na-akparịta ụka banyere ihe bụ iwu ka ọka iwu a kọwara iwu dịka "ụkpụrụ na atụmatụ dị iche iche nke na-ekpebi etu mmadụ si akpa agwa n'ihe gbasara ala, ezinaụlọ na mmekọrịta mmadụ na ibe ya". Site na nkọwa a, anyị chọpụtara na ihe na-eme ka okwu bụrụ iwu bụ ka

e si asọpụrụ ya n'obodo na ka o si achịkwa omume ndị mmadụ n'obodo. Ihe nke a gosiri bụ na ma e dere iwu ede ma e deghi ya ede, ma ọ bụ nke sitere na mmepe anya ma ọ bụghị, iwu bụ iwu ma ọ bụrụ na ọ na-enwetazu ihe ndị e ji maka ha tinye ya.

Obodo (2005) kwenyere na iwu bụ ụzọ e si eduzi obibi ndụ mmadụ. Ihe na-achị obodo ọ bụla bụ ụzọ ha si hazie nduzi nke obibi ndụ ndị mmadụ. Ụzọ ndị a na-egosipụta ma na-atụpụta ụkpụrụ e si emegasị ihe dị iche iche n'obodo ahụ. Mgbe ọ bụla iwu na-akwado ihe ziri ezi ma na-emegide ajọọ ihe, a na-asị iwu ahụ dabara adaba. Iwu bụ ezigbo iwu ga-emetụtarịrị ihe ndị mmadụ kwadoro ma ọ bụ nabata. Ọ bụrụ na e nweghi iwu a gaghị enwe ikpe nkwụ mọtọ (Oraegbunam,2010). E kwesịghị ime iwu maka ihe nrita nke onwe ma ọ bụ iji megide onye ọ bụla.

## Mbunuche Nchọcha

Nchọcha a bu n'uche :

1. Ịkọwa ihe aha bụ

- Ịchọpụta uru aha bara na ndụ mmadụ
- Ịchọpụta aha dị iche iche ndị Igbo na-aza nke gosiri nkwenye ha n'iwu omenala Igbo.

## Usoro Nchọcha

**E j**i usoro nchọcha nkọwa dee nchọcha a. Usoro nchọcha a nyere ohere ịkọwapụta ihe niile banyere aha na iwu omenala Igbo. Usoro nchọcha nkọwa bụ usoro kwesiri iji mee nchọcha n'isi okwu ọ bụla metụtara omenala n'ihi na usoro a na-akọwa omenala Dịka e si eme ya ma mee ka ezi okwu pụta ihe n'ihe a na-ede maka ya.

## Ntụleghari Agụmagụ

**E** nwela ọtụtụ nchọcha ndị e merela banyere aha. Anyị ga-akọwapụta ụfọdụ n'ime ha ebe a.

Arinze(2001 P.23) kwuru na aha abụghị ihe a na-eleghara anya n'ihi ọ Dịka nwaanyị dị ime nke nwere ịmụpụta mpụtara dị omimi. Ndị Igbo na-eji aha ezi ozi, adọ aka na ntị ma ọ bụkwanụ egosi nnabata. N'inyekwu nkọwa n'ihe banyere aha Onah na Gudaku (2023) kọwara na ọ bụ naanị mmadụ nwere onyinye nakwa ọnatarachi nke inye ihe aha. Ịgụ aha metụtakarịrị mmadụ. Olatunji na Abdul-Rasheed(2015) kwuru na n'ala Afrịka, aha nwere ike gosipụta abụmọke, agbụrụ, ọnọdụ nakwa ọkwa mmadụ nọ n'obodo. Mgbe ụfọdụ o nwekwara ike gosi akparamagwa na usoro nkwenye mmadụ. N'ala Igbo aha e nyere nwata na-egosi ụbọchị ahịa a mụrụ ya.

Geertz (2006) kwuru na aha na-egosi onwe ma ọ bụ onye ma ọ bụ ihe mmadụ bụ Dịka o simetụta ndị nwe onye ahụ, ọkachasị ezinaụlọ nne na nna onye ahụ n’ihi na a na-ewe aha ahụ Dịka nkwanye ugwu n’ebe onye wetara

aha nọ. Dịka Simon na Schueter (1975) siri kwuo, aha pụtaramkpụrụokwu maọ

bụ okwu ole na ole e ji mara mmadụ, ebe, ihe, ọkwa ma ọ bụ onye ọbụla dị kanjirimara ya. Nke a gosịrị na ọ bụ site n’aha ka e ji amata ihe dị iche iche Chineke kere nakwaọnọdụ, ogogo na ọkwa ha nọgasị na ya. William (2005) hụrụ aha Dịka okwu ma ọ bụ mkpokọtaokwu dị iche iche e ji amata mmadụ. Aha ahụ na-egosipụta njirimara onye ahụ a na-ekwu makaya kpọmkwem. Ọzọ, aha abụghị naanị ndịiche mmadụ nwere n’ebe ndị ọzọ nọ ka ọ na-egosikama na ọ na-akọwapụta ụdịdị onye na-aza aha ahụ.

Ọzọ, Ọbaji (1982) kwuru na aha nwere ihe ọ na-egosi, a bịazie n’ebe ndị Igbo nọ, na ọna-egosi ihe ahụ ndị mmadụ na-aghọta mgbe onye na-aza aha ahụ kpọrọ ya ma ọ bụ mgbe ndị ọzọkpọrọ ya aha ahụ. Aha na-enye akụkọ ntọala ndụ onye na-aza ya. McGraw (1993) nyere nkọwanke ya na aha bụ otu mkpụrụokwu ma ọ bụ mkpụrụokwu dị iche iche na-akọwa maka mmadụ,anụmanụ, ebe, ihe ma ọ bụ ogogo ihe dị iche iche.

N’ịga n’ihu, Nwigwe (2001) mere nyochara ma nyochapụta etu ndị Igbo si enweta aha hana-aza n’ebe o metụtara ahịa anọ ndị Igbo nwere ma na-azụ bụ (Eke, Orie, Afọ, Nkwọ). Nanchọcha Nwigwe mere, ọ chọpụtara na ndị Igbo na-agụ ndị aha ahịa anọ ndị Igbo

iji hụba ụbọchịa mụrụ ndị ahụ ama. N'okwu ya, aha ahịa anọ ndị Igbo nwere mmụọ nwe nke ọbụla n'ime ha.Mmụọ ndị ahụ na-ejere ụbọchị ahịa anọ ndị a ozi nke a na-ewere gụọ ndị nta a mụrụ ọhụrụ ka ọbụrụ aha e jiri mara ha. Aha ndị ọzọ a gụrụ mmadụ nwere ọnọdụ na mpụtara ọ na-ezipụtan'ezinaụlọ ya nakwa n'ebe ndị ikwu na ibe ya nọ. A na-akpacha anya ahọrọ aha ndị ahụ ka ewere ya na-echeta ihe mere mgbe a mụrụ onye ahụ, ebe aha ahịa a ga-enye ya bụ iji cheta ụbọchịa mụrụ ya

Site na nchọcha Sutherland (1991) mere, ọ kọwara na ndị Gana na-agụ aha site n'ụbọchịdị n'izuụka a mụrụ onye ahụ. Onye a mụrụ ụbọchị mbụ n'izuụka bụ ụbọchị ụka, a na-agụ ya

'Kwesis' ma ọ bụrụ ndị nwoke ebe ndị ndịanyị a mụrụ n'ụbọchị ụka na-aza 'Esis'. Onye a mụrụn'ụbọchị anọ n'ime izuụka Dịka ndị nwoke na-azakwa 'Kwekus' ebe ndị ndịanyị a mụrụn'ụbọchị anọ na-aza 'Ekuwas'. Ọ bụ etu a ka ọ dị n'ime ụbọchị ndị ọzọ dịgasị n'izuụka dị iche

## Atụtụ Njiri mee Nchọcha

E nwere ọtụtụ atụtụ ndị dabara adaba maka nchọcha nchọcha mana ndị nchọcha gbadoro ụkwụ n'atụtụ abụọ wee chịkọta njatule nchọcha a. Atụtụ abụọ ndị a bụ : atụtụ ekerechi na atụtụ ndaba na nsieme ọhaneze. Ihe

mere ndị nchọcha ji họrọ atụtụ abụọ ndị a bụ maka na ha kachasị daba n'isi okwu nchọcha a ma nyekwa aka n'ịkọwasị ihe a chọpụtagasịrị nke ọma.

## Atụtụ Ekerechi

Iwu ekerechi bụ usoro nkwenye bụ ebumpụta ụwa nke e nwere ike ịchọpụta site n'ichemi echiche ime. Ọ bụ ụdị iwu nke e kwenyere na o si n'aka Eke kere ụwa rute mmadụ aka. Dịka mmadụ bụ anụ nwere echiche nke o ji achọpụta ihe dị iche iche. Ha na-eji akọnuche ha achọpụta iwu ndị a ma mee omume dabara na ha. Mmadụ site n'okike ụwa na-enwekarị agụ nke mmụba, nriju afọ, ezumike, ịchọ ezi nchekwaba nakwa ihe ndị ọzọ dị mma. Ihe ndị a dabachara n'iwu ekerechi iji hụ na mmadụ dịgịdere ma mụbakwaa. N'ihi nke a, omume ọ bụla mmadụ mere nke dabara n'ihe ndị a ka a na ka ezi omume ebe a na-ahụta omume ndị na-adabaghị na ha ka mmebi iwu ma ọ bụ ajọ omume.. Iwu ekerechi na-enye aka iduzi akparamagwa n'ụzọ dị iche iche nke gụnyere usoro nnọchi ọkwa na mmụba akụnaụba. Dịka Houghton (2011) siri kọwaa , iwu ekerechi bụ usoro ndị ahụ nke e kenyere mmadụ n'ime nke na-enye aka ikpebi ma omume mmadụ o ziri ezi ka ọ bụ na o zighi ezi.

Onye bụ isi a hụrụ kwaba okpu n'atụtụ a bụ Thomas Aquinas (1227-1274) kwuru na ihe ọma dị mma ka a na-eme ma kwesikwa ka onye ọ bụla gbaso ya ebe onye ọ bụla kwesiri ịgbara ihe ọjọọ ọsọ. Ọ gakwara n'ihu kwuo

na iwu ekerechi na-emetụta mba ụwa niile. Ọ bụ n'iwu ekerechi ka mba dị iche iche si enweta iwu na-achịkwa omume ndị mmadụ n'obodo ha. Ebe ọ bụ na iwu ekerechi sitere n'aka Eke kere ụwa bịa, ọ na-emetụta mmadụ niile. Ebumnuche atụtụ iwu ekerechi bụ ka mmadụ niile nye aka n'inweta ọdịmma ọhaneze n'ihi na omume ọ bụla nke na-adabaghị n'iwu ekerechi bụ ajọ omume.

Atụtụ iwu ekerechi bụ ozuru mba ọnụ n'ụdị na a na-esite na ya enweta iwu ndị ọzọ n'ihi na ọ na-agbakwasị ụkwụ n'ugwu ruru mmadụ. Atụtụ iwu a ejighi ndụ mmadụ egwuri egwu. Ọ na-elekwasịkarị anya n'ikpe ziri ezi, nkwanye ugwu na imeru ihe n'oke.

N'aka nke ọzọ, atụtụ iwu ekerechi aanaghị adabacha oge ụfọdụ n'ihi na ọ na-achọkarị inwe nkwenye n'ebe Eke (Chukwu) kacha ihe niile nọ ma na-ewepụtakwa iwu ndị dị nnukwu mkpa nke adabereghi n'echiche na amamihe nke mmadụ. Ndị mmadụ kwesiri iji akọnuche ha mata eziokwu ndị a ma mee ihe ndị dabara adaba na ya. Adịmiche n'akọnuche mmadụ ekwesighi ịbụ ihe a ga-agbakwasị ụkwụ. N'ihi nke a iwu ọbụla nke anaghị echekwa ndụ mmadụ abụghị ezigbo iwu. E kwesikwaghị irubere ya isi.

## Atụtụ Ndaba N'usoro Nsieme Ọhaneze

Atụtụ a sitere n'echiche Emile Durkheim (1897) n'akwụkwọ ya ọ kpọrọ "Suicide" wee gbasaa site n'aka

Robert K. Merton n'afọ 1938. Atụtụ a na-ekwu maka ọnọdụ ebe ụkpụrụ na iwu obodo dabara adaba nakwa ebe ọ dabaghị nke nwere ike kpalite mmụọ mmebi iwu site n'agbasoghi ntụziaka dabara n'omume ọma. Durkheim kwenyesiri ike na mgbe usoro mmekọrịta mmadụ dara, mmadụ na-enwe mmetụta nke nwere ike ime ka o bido mewe ihe n'usoro adabaghị n'echiche na nkwenye ọhaneze. N'ihe banyere omenala Igbo, atụtụ a bara uru iji kọwaa ọnọdụ ebe omenala dara n'ala ma rie mperi nke mere na o nwetaghị nkwado na ntụkwasị obi n'aka ndị ntorobịa n''ihi mmetụta agụmaakwụkwọ, mmepe anya na nka na ụzụ. Mgbe ndị mmadụ ahụtaghịzị uru iwu nke omenala bara n'ime ndụ ha, ọ ga-eduba ha n'imebi omenala site n'ịkpa agwa ọjọọ dị iche iche ndị gụnyere ịgha ụgha, izu ohi na ime ihe ndị ọzọ na-adịghị mma. Ọnọdụ dị etu a na-ebute mgbanwe na ntụgharị nke omume ọhaneze.

Atụtụ a dabara adaba maka nchọcha a n'ihi na ọ ga-enyere ọchọcha aka ịghọta na mmebi iwu n'oge a abụghị nsogbu metụtara naanị akparamagwa ma ọ bụ omume ndị mmadụ kama ọ na-esite na mmebi ma ọ bụ nghasa nke usoro nhazi ọhaneze na ọdịbendị Igbo. Atụtụ a na-akpọ oku ka eweghachịte ntụkwasị obi e nwere n'ebe iwu omenala dị site n'ịgbaso nkwenye na omenala ndị dabara na mgbanwe nke oge. N'ihi na Crossman (2018) kwuru na ihe na-ebute emeghi ihe Dịka o siri daba n'usoro iwu bụ e meghi ka ụmụaka mata mmbamuru

n'usoro ndebeiwu nke obodo. O kwuru na ọnọdụ mgbe a hapụrụ ịgbaso usoro iwu omenala n'ime ihe ụfọdụ n'ewepụtaghị nke ọhụrụ e nwere ike iji dochie ya ka ahụ na-enweghi oghere ma ọ bụ ohere ọ bụla mmadụ ga-eji sị na ya amaghị. Nke a na-emetụta uto akụnaụba, ndọrọndọrọ ọchịchị, mmekọrịta ọhaneze na ngalaba ndị ọzọ dị mkpa maka agamnihu nke obodo. Atụtụ a na-enyere ndị mmadụ nọ n'ogo dị iche iche aka isonye nke ọma n'usoro nsieme nke obodo. Ọ na-enyekwa aka ime ka mmadụ nweta ma nabata ọzụzụ nke ga-enyere ya aka ibi ezi ndụ. Mana, n'aka nke ọzọ, ọtụtụ na-elekwasị anya naanị n'ebe otu onye nọ ma kọwaa ihe kpatara o ji eme ihe ọ bụla ọ na-eme. Ọ naghị eleba anya n'omume ọjọọ nke ọtụtụ mmadụ n'obodo.

## Nchịkọta Ntụleghari Agụmagụ

**Ọ bụ ezi ok**wu na e nweela ọtụtụ nchọcha ndị e mere banyere aha mana e nwebeghi nchọcha ọ bụla e merela banyere iwu na aha mmadụ n'omenala Igbo. Nke a oghere nchọcha a chọrọ imechi. Nchọcha a ga-enye aka mee ka ndị mmadụ mara ihe jikọtara iwi na omenala Igbo.

## Ntụcha Aha Ndị Igbo Na-aza Gosiri Nkwenye Ha N'iwu Omenala

Ndị Igbo Dịka agbụrụ ndị ọzọ dị n'ụwa nwere etu ha si hụ ụwa. Nke a metụtara nkwenye ha na usoro ha ebi ndụ. Chi ndị Igbo adịghị ka Chi ndị otu ụka kraịst nke nwere

mmụọ ozi dị iche iche na-agara ya ozi. N'ịkwado nke a , Onukawa (2016) kwuru na echiche na Chi ndị Igbo dabere na nkwenye na nsirihụụwa ha. N'ihi nke a , ihe niile banyere ndị Igbo hiwere isi na nkwenye ha. Ọ bụ nke a mere ha ji kwenye n'iwu omenala Igbo ma jiri ya na-ahazi usoro obibi ndụ ha. Ha na-esite n'aha ha na-aza egosi nkwenye ha n'iwu omenala Igbo. Ka anyị tụlee aha dị iche iche ndị Igbo na-aza nke gosiri nkwenye ha n'iwu omenala Igbo.

## Iwuji

Ji bụ mkpụrụ akụkụ kachasị pụta ihe n'ime mkpụrụ akụkụ niile ndị Igbo na-akọ. Ji bụ ihe na-egosi ndụ ,akụnaụba na ihe nrụpụta nke ala . Ọ bụ nke a mere e ji nwee iwu dị iche iche metụtara ji iji chekwaa ugwu dịrị ya. Ndị Igbo na-agụ ma na-aza Iwuji n'ihi ji bụ nri kachasị ibe ya n'omenala Igbo.

## Iwuọha

N'usoro ọchịchị ndị Igbo, e nwere ọha nke ihe mejupụtara ya bụ ụmụnna dị iche iche. Ọ bụ eziokwu na ndị Igbo enweghi usoro ọchịchị dịkọtara ọnụ Dịka nke dị Awụsa, Fụlanị na Yoruba mana ha nwere usoro pụrụ iche ha si achịkwa onwe ha(Mbachụ, 1994). Ndị Igbo kwenyere na ikike ọchịchị dị ọha n'aka ma site n'aka ọha agafe otu onye n'aka, onye na-ejidere ọha ikike ọchịchị a (Ọnụkawa, 2016). Ọ bụ nke a mere ndị Ọha ji bụrụ ekwucha ọgwụ n'usoro ọchịchị omenala Igbo. Ihe ọ bụla

ha kpebiri banyere okwu ọ bụla a naghị agbagha ya agbagha. N'ihi ụdị nkwenye na usoro ọchịchị a , Ọkaa Mọnde Ọnụkawa mere ka anyị mata na iwu ọ bụla ndị ọha tinyere anaghị enwe mmeghari̩. A na-atakwa onye ọ bụla mebiri ya nnukwu ahụhụ. Iwu dị otu a jịkọta ma na-achịkwa usoro obibi ndụ ndị ọha. Nke a mere e ji akpọ ya iwu ọha.

## Iwuchukwu

Ndị Igbo kwenyere na e nwere Chi nke kacha chi ndị ọzọ niile ma bụrụkwa onye Agbara ndị ọzọ na-agara ozi. Ha kwenyere na o nweghi onye nwere ike iruli ya nso. Ọ bụ nke a mere ha esi n'aka obere chi ndị ọzọ ezi Chukwu ahụ ozi. Obere chi ndị ọzọ a ndị Igbo si n'aka aha agakwuru Chukwu gụnyere Ibini Ụkpabi, Amadịọha , Igwekaala nakwa ndị ọzọ. Maazị Ume Mba mere ka anyị mata na Chukwu nwere iwu dị iche iche nke a na-edobe iji kwanyere ya ugwu. Ọ bụ nke a mere e ji nwee Iwuchukwu maka iwu ya adịghị mgbagha. Ndị Igbo na-aza ya n'aha iji gosi nkwenye ha n'iwu omenala Igbo.

## Iwuanyanwụ

Anyanwụ bụ otu n'ime ihe okike kacha mkpa na ndụ na omenala ndị Igbo. Ndị Igbo na-ahụta anyanwụ Dịka isi

iyi nke ndụ,ihe oge nakwa ike Chineke nyere mmadụ. N'ịkwad nke a , odoziakụ Enebe mere ka anyị mata na ọ bụ anyanwụ na-enye mmadụ ihe , mee ka ọ mara oge maka ime ihe dị iche iche. Nke a mere anyanwụ ji nwe nnukwu ọnọdụ na ndụ nakwa nkwenye ndị Igbo.

A gaghị akọwa akụkọ banyere ndụ ndị Igbo hapụ ịkpọtụ anyanwụ aha. Ndị Igbo bi n'ọwụwa anyanwụ ala Naịjirịa. A kọwakwa akụkọ etu ha siri malite ndụ ha a ga-akpọkwa anyanwụ aha. Ọ bụ n'ihi nnukwu mkpa anyanwụ dị na ndụ ndị Igbo kpatara e ji iwu ndị metụtara anyanwụ . Ndị Igbo na-azakwa Iwuanyanwụ iji gosi nkwenye ha n'ebe anyanwụ dị.

## Iwundụ

Aha “Iwundụ” bụ aha ọdịnala nke sitere n’okwu abụọ bụ “iwu” na “ndụ.” N’ụzọ dị mfe, aha a pụtara na iwu bụ isi ndụ mmadụ na obodo. Aha a na-egosi na ndị Igbo na-ahụ iwu omenala dịka ihe na-echekwa ndụ, udo, ezi mmekọrịta na ịdị n’otu n’obodo. Ọ bụkwa ụzọ e si akụziri ụmụaka na ndụ enweghị isi ma ọ bụrụ na mmadụ anaghị eso iwu na omenala obodo ya.

Iwundụ na-egosi na ndụ obodo dabere n’iwu. Ndị Igbo kweere na obodo enweghị ike ịdị n’udo ma ọ bụrụ na iwu adịghị. Ọ bụ iwu na-achịkwa omume mmadụ ma na-

eme ka mmadụ mara ihe kwesịrị ekwesị na ihe ekwesịghị ekwesị.

Achebe (1958) kwuru na ndụ ọdịnala ndị Igbo dabere nke ukwuu n'usoro omenala na nkwanye ùgwù nye iwu obodo. Nke a pụtara na iwu bụ ihe na-eme ka obodo ghara ịdaba n'ọgbaaghara.

Ndị Igbo kweere na iwu sitere n'aka chi na nna nna. Onye mebiri iwu nwere ike ịnata ntaramahụhụ sitere n'aka ala ma ọ bụ mmụọ. N'ihi nke a, ndị mmadụ na-atụ egwu ime mmehie n'ihi na ha kweere na chi na-ahụ ihe niile mmadụ na-eme (Mbiti, 1969).

## Iwunze

N'ala Igbo, ndị nze so n'otu n'ime ndị dị nnukwu mkpa n'usoro ọchịchị . Ha bụ ndị e ji ikpe ziri ezi na ikwụwa aka ọtọ mara. Maazị Elọm Uche mere ka anyị mata na ndị nze so na ndị na-ahụ na ọ dịghị onye ọ bụla mebiri iwu omenala . Onye ọ bụla nupuru isi mebie ya na-anata ntaramahụhụ . Ntaramahụhụ a na-enye onye dị etu a na-adabere n'ụdị iwu o mebiri. Nihi nkwenye ndị Igbo n'ọrụ ndị nze na-arụ na nchekwa iwu omenala ka ji aza Iwunze.

## Nwaiwu

N'omenala Igbo, iwu abụghị naanị ihe a na-ede ede dịka e si ahụ ya n'usoro ọchịchị oge a. Kama nke ahụ, iwu bụ

ụkpụrụ obodo nke sitere n'aka ndị nna ochie ma bụrụ ihe na-achị omume mmadụ n'obodo (Ọraegbunam, 2010). Ndị Igbo kwenyere na iwu bụ ihe na-echekwa ịdị n'otu na ịdị n'udo n'etiti ndị mmadụ. N'ihi ya, aha dịka "Nwaiwu" na-apụta dịka ụzọ e si akụziri nwa ọhụrụ mkpa nrubeisi na ezi omume.

Mgbe ụfọdụ, ezinụlọ na-enye nwa aha a mgbe ha chọrọ igosi na ezinụlọ ahụ bụ ndị na-asọpụrụ omenala ma ọ bụ mgbe ha chọrọ ka nwa ahụ too bụrụ onye ga-echekwa ezi omume na iwu obodo. Ọ nwekwara ike ịbụ aha e nyere nwa a mụrụ mgbe esemokwu ma ọ bụ ikpe kwụsịrị n'ezinụlọ, dịka ihe ncheta na udo na-adị mgbe iwu na-achị (Umeogu, 2012).

Ndị Igbo na-ele iwu anya dịka ihe nsọ nke jikọtara mmadụ na obodo ya. Iwu omenala na-achịkwa omume mmadụ n'ụlọ, n'ahịa, n'alụmdi na nwunye na n'ọrụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya (Obodo, 2005). Nke a na-egosi na aha "Nwaiwu" bụ aha nwere ebumnuche mmụta na nduzi.

N'echiche ndị Igbo, aha nwere ike ịkpụzi agwa mmadụ. Nke a mere ka ọtụtụ ndị nne na nna jiri aha na-echetara ụmụ ha ụzọ kwesịrị ekwesị ha ga-esi bie ndụ. Aha "Nwaiwu" na-akpọku onye nwe ya ka ọ bụrụ onye na-anọ n'ụzọ ziri ezi ma ghara ime ihe ga-weta ihere n'ezinụlọ na obodo.

**Ọnọniwu**

Aha "Ọnọniwu" bụ otu n'ime aha ndị Igbo na-egosi mmekọrịta dị n'etiti mmadụ, iwu omenala, na nkwenye ọdịnala ndị Igbo. Aha a sitere n'okwu abụọ bụ "ọnọ" na "iwu." "Ọnọ" nwere ike ịpụta ịnọgide, ịdịgide, ma ọ bụ ịdị n'ọnọdụ siri ike, ebe "iwu" pụtara usoro nduzi, omenala, ma ọ bụ ụkpụrụ e ji achị obodo na ezinụlọ. N'ihi ya, "Ọnọniwu" nwere ike ịpụta "onye na-adịgide n'iwu," "onye nọ n'akụkụ iwu," ma ọ bụ "ịdịgide n'omume ziri ezi" (Umeogu, 2012).

Iwu omenala Igbo, abụghị naanị ihe gbasara ikpe n'ụlọikpe; kama ọ bụ usoro ndụ na-achị omume mmadụ, mmekọrịta mmadụ na ibe ya, na ịdị n'udo n'obodo. Ndị Igbo kweere na onye na-edebe iwu omenala na-enweta nsọpụrụ, nchekwa, na ịdị mma n'ụlọ na n'obodo. N'ihi nke a, aha dịka "Ọnọniwu" na-egosi na ezinụlọ nyere nwa ahụ aha ahụ chọrọ ka ọ bụrụ onye na-akwanyere omenala na iwu ugwu (Ọraegbunam, 2010).

Maazị Ume Mba anyị gbara ajụjụ ọnụ banyere aha a mere  ka anyị mata na ihe na-akpalite mmụọ ezinaụlọ inye nwa ha ụdị aha bụ nkwenye siri ike ha nwere n' iwu omenala Igbo.

## Nwaọnọniwu

Ọtụtụ mgbe na ndụ ndị Igbo ihe megasịrị ha na-akpalite mmụọ ha ịgụ na ịza aha iji gosi ka o si dịrị ha. Ọ bụrụ na ịmụta nwa siere mmadụ ike nke ukwuu, o mechaa mụta nwa, o nwere ike gụọ ya Nwaọnọniwu. Nke a bụ ịjụ ndị

mmụọ ajụjụ ma ịmụta nwa o megidere iwu omenala mere na ya amtụtabeghi nwa ruo n'oge ahụ. Ihe mere e ji ajụjụ dị etu a bụ makana ndị Igbo kwenyere na iwu omenala Igbo abụghị ihe a emebi ghara inweta ntaramahụhụ so ya. Maazị Okorie Asịegbu anyị gbara ajụjụ ọnụ gwara anyị na nwa bụ onyinye si n'aka Chukwu okike abịara mmadụ; onye na-amụtaghị nwa mgbe o lere anya ya nwere ike jụwa ma nwa ọ nọ n'iwu mere o jighi nwee nwa. Aha dị etu a na-egosi nkwenye ndị Igbo nwere ebe iwu omenala dị.

## Nchịkọta na Mmechi

Iwu bụ usoro a haziri e si achịkwaakparamagwa ndị mmadụ . E wepụ iwu ezi mmekọrịta na ibi n'otu agaghị adị mfe. Iwu anyị lebara anya ebe a abụghị iwu bekee nke mmadụ na-emebe kama ọ bụ iwu omenala Igbo nke ndị Igbo kwenyere na ọ bụ Ala mebere ha. N'ihi nkwenye dị etu a ndị na-ahụta onye ọ bụla na-emebi iwu ka onye arụrụ ala. Nke a pụtara onye na-emerụ ala. Mgbe e mụrụrụ ala , a na-akwa ala mana ọ bụrụ n'ọnọdụ jọkasịrị ibe ya na njọ , a kpụọ arụ. Ihe ndị a niile bụ iji mee ka a gbara ajọ omume na mmebi iwu ọsọ.

N'ihi nkwenye siri ike ndị Igbo nwere n'ebe iwu omenala nọ, ha na-agụ ma na-azakwa aha dị iche iche iji na-echetara onwe ha mkpa iwu omenala dị n'usoro obibi ndụ ha. Aha bụ njirimara mmadụ . Ọ bụ n'ihi mkpa aha dị na ndụ mmadụ mere ndị Igbo ji eme mmemme ịgụ

aha oge a mụ nwa ọhụrụ. Nke a bụ iji nye nwa ahụ njirimara. Ụfọdụ na-agụ nwa aha n'izu abụọ ebe ndị ọzọ na-agụ n'izu nke bụ otu ọnwa. Oge e ji gụọ nwa aha abụchaghị ihe dị mkpa kama aha a gụrụ nwa ka a na-elegara anya. Aha a gụrụ mmadụ na-emetụta akara aka na omume ya. Ọ bụ nke a mere ndị Igbo ji akpachapụ anya mgbe ha na-agụ aha iji gbanahụ ọdachị aha adịghị mma nwere ike ibutere ha.

Nchọcha a nke jiri ịgba ajụjụ ọnụ na ihe ndị a gụtara n'akwụkwọ tụchara aha dị iche iche ndị Igbo na-aza iji gosi nkwenye ha n'iwu omenala Igbo. Aha ndị a tụchara gụnyere Iwuji, Iwuọha, Nwaiwu, Iwunze, Nwaọnọniwu , Ọnọniwu, Iwundụ na Iwuchukwu. Aha ndị a niile gbakwasịrị ụkwụ n'iwu omenala Igbo na-enyere ndị Igbo aka n'ịhazi usoro obibi ndụ ha site n'izere omume megidere iwu omenala Igbo.

## Edensibịa

Achebe, C. (1984). Things Fall Apart. London: Heinemann Educational Books Ltd.

Amadi, E.(2005). Ethics in Nigerian Culture. Ibadan: Oluseyi Press.

Arinze R.N.(2001). Naming and Nursing of Children. African Traditional Religion. Enugu: Rabboni Nigeria Limited.

Crossman, A. (2018). Definition of anomie in sociology: The theories of Emile Durkheim and Robert K.

Merton. Retrieved from http://www.thoughtco.com

Durkheim, E. (1987). *The elementary forms of religious life*. Oxford, England: Oxford University Press.

Geertz, P. (2006). *Person, time and conduct in Bali.* An essay in cultural analysis. Program cultural report series. Yale: South East Asian Studies.

Houghton, R. (2011). *American heritage: Dictionary of the English language*. Boston, MA: Houghton Mifflin Harcourt Publishers.

Mbiti, J. S. (1977). *African religion and philosophy*. London: Edinal.

Nwigwe, B. (2001). "Naming and being Philosophical Investigation on Names and Objects with special Reference to Igbo anthroponyms". Retrieved from www.naming.1phil212...//antro.com on 26, January, 2025.

Obaji, C. N. (1982). *Language: Philosophical magazine.* Ikot Ekpene: Bigard. Memory Seminary Press.

Obiwulu, A. (2007). *The role of law in Nigerian democracy and global democracy* [Lecture]. Awka, Nigeria: Nnamdi Azikiwe University.

Obodo, N. A. (2005). *General principles of law*. Enugu, Nigeria: Academy Publishers.

Okafor, P.& Onebunne, J. (2019). *Fundamentals of Primary Religious and Moral Education.* Awka: FAB Anieh.

Okodo, I.(2009). African Traditional Religion and

Human Values Among The Igbo People of Eastern Nigeria In E.O. Inyama (ed.). *Journal of Religion and Society in African, 1(1)* (pp.108-112). Owerri): Department of Religious Studies, Imo State University.

Ọnụkawa , M.(2016) .*Gịnị Bụ Aha gị? Topical Issues On Igbo Personal Naming In The Igbo Society*. 24th Inaugral Lecture, Abia State University, Uturu. Aba : Labyrinths

Ọraegbunam, I. M. (2010). *The principles and practice of justice in traditional Igbo jurisprudence* (pp. 53–83).

Sutherland, E. T. (1991). Marriage of Anansewa. England: Longman.

Umeogu, B. (2012). Igbo African legal and justice system: A philosophical analysis. Retrieved from http://www.sciro.org/journal/ojpp

William, B. (2005). The New Encyclopedia Britannica, Vol. 24 Marcropedia. U.S.A. Encyclopedia Britannica Inc.

Ụmọ, C.U.na Ezema, O.C.(2007). *Mkpanaka Akwụkwọ Ọmụmụ Nchọcha n'Asụsụ na Omenala Igbo.* Nsụka: Ifedịmma Communications.

**Ndị Agbara Ajụjụ Ọnụ**

| Aha | Mgbamaf | Obodo | Aka | Ụbọchị |
|---|---|---|---|---|

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| | ọ | | ọrụ | |
| Elọm Uche | Iri ise na Ise | Ikwo | Nkụz i | 20/2/24 |
| Irogewe Chinedu m | Iri isii | Ụmụnneoch i | Ọrụ ugbo | 23/4/24 |
| Ọsọndụ Clement | Iri isii na atọ | Enugwu | Ịzụ ahịa | 30/5/25 |
| Enebe Chibụzọ | Iri isi na ise | Udi | Nkụz i | 6/7/25 |
| Izunna Ikedịchi | Iri isi na atọ | Mbanọ | Ọrụ ugbo | 10/8/25 |
| Ogbonna Patrick | Iri ise na asatọ | Ezzamgbo | Ịzụ ahịa | 13/9/25 |
| Ọnụkawa Monday C. | Iri isii na abụọ | Ụmụahịa | Nkụz i | 16/11/2 5 |
| Okorie Ashiegbu | Iri isii na anọ | Owere | Ọrụ Ugbo | 18/11/2 5 |
| Ụka Ejikeme | Iri isii na asatọ | Ụmụnze | Ịzụ ahịa | 22/11/2 5 |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| Mba Ume | Iri isii | Ezinifite | Nkụzi | 10/12/25 |